# ỌDỊMARA NA URU NZU BARA N'EKPEMEKPE ỌDỊNALA IGBO

**Akpulu, Esther Ogochukwu**
Ngalaba Ọmụmụ Asụsụ Igbo, Afịrịka na Eshia
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
eo.akpulu@unizik.edu.ng, 08063010049

## Ụmịedemede

Ndị Igbo nwere omenala na nkwenye dị ọkpụ sitere n' aka ndị ochie mana ọgbọ nọ ugbua na-eleghara omenala na nkwenye ndị ahụ anya mezie ka ọtụtụ n'ime ọmarịcha omenala ndị ahụ na-anwụ. Ihe kpatara nke a bụ ọchịchị ndị mbịarachịwa na nleghara anya n'ebe ihe e ji mara ndị Igbo. Nzu bụ nnukwu ihe na ndụ ndị Igbo. N'ịnabata ọbịa, ọ bụrụ na ọjị gachaa nzu na-esote ya dị ka ihe e ji ele ọbịa nke mere ya ka ọ bụrụ ngwa keọdịmara n'ekpemekpe ọdịnala Igbo. Ekpemekpe ọ bụla n'ụwa niile nke ekpemekpe ọdịnala Igbo bụ otu n'ime ha nwere ọdịmara dị iche iche e ji mara ya. Ọdịmara nwere ike ịdị n'ụdị ihe ndị a na-ahụ anya ma ọ bụ ihe a naghị ahụ anya, okwu ọnụ ma ọ bụ agwa nwere nzipụta ihe ndị ahụ na-enyere ndị isi ekpemekpe aka ịkụziri ndị otu ha eziokwu dị n'ihe ha kwenyere. Ebe ọdịmara na-adịkarị n'ụdị ekereuche, o nwerịrị ihe ọ na-anọchi anya ya. Ebumnuche nchọcha a bụ izipụta na nzu abụghị naanị na ọ bụ ọdịmara n'ekpemekpe ọdịnala Igbo kama na o nwekwara uru ndị ọzọ ọ baara ọ bụladị ndị ekwenyeghị n'ekpemekpe ahụ. Ebumnuche ọzọ bụ igosi ihe bụ ọdịmara n'ekpemekpe ọdịnala. Ụfọdụ ndị odee emeela nchọcha banyere uru na ọdịmara nzu n'ekpemekpe ọdịnala Igbo ndị ha dere n'asụsụ Bekee. Nke a kpalitere mmụọ ome nchọcha ịkwado ihe ndị odee ndị ọzọ derela banyere nzu ma were asụsụ Igbo dee ya nke mere ka ọ pụọ iche. E ji atụtụ Ịntarakshọnism keọdịmara were zipụta na ọdịmara na-akpalite ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ, eke na gburugburu ya. A gbasoro usoro nchọcha kenkọwa na kesọvee were mee nchọcha a.Nchọpụta gosiri na nzu bụ ọdịmara na-egosi obi ọcha, nnabata, ịdị asọ dịrị gawa. A tụrụ anya na site na nchọcha a, na ndị Igbo ga-amata na ihe ụfọdụ ha na-ahụ nke nzu bụ otu n'ime ha nwere nghọta miri emi ha nwere nke bụ ihe ha na-anọchi. Nke a ga-eme ka ha were nzu kpọrọ ihe etu o kwesịrị.

## Okwu mmalite

Ndị Igbo bụ ndị bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Akụkọ gbasara ebe ndị Igbo si malite ma biri ebe ha bi taa edochaghị anya n'ihi na e nwere echiche dị iche iche site n'aka ndị agụgụ ala nke gụnyere na ha bụ otu n'ime agbụrụ Izrel jefuru ụzọ oge ha na-aga ala Chukwu kwere ha na nkwa. Ihe ha ji akwado nkwenye a sitere n' etu omenala ndị Igbo na nke ndị Izrel siri yie. Iji maa atụ, ndị Igbo na-ebi ụmụ ha ndị nwoke ugwu ụbọchị o mere abalị asatọ a mụrụ ha, na-emekwa omenala ịgụ nwa aha etu ndị Izrel si eme. Akụkọ ọzọ kọkwara na ọ bụ Eri bụ nna ndị Igbo nke Chukwu siri n'elu tụdata o biri na mpaghara ezu Ọmambara bụ ebe a na-akpọ Agụlụeri taa. Isichie (1976) n'Okeke, Ibenwa na Okeke (2017:1) kọkwara na ndị mbụ biri n'ala Igbo ga-abụrịrị ndị si na mgbago ugwu ikekwe ebe oshimiri Naịja na Benue jekọrọ. Mana e nweela ndị biri n'ala Igbo o pekata mpe afọ puku ise site mgbe mmadụ malitere. Ihe kacha pụta ihe n'akụkọ ala ndị Igbo bụ ogo ya na ngawanye n'ihu ya.

Asụsụ ndị Igbo na-asụ bụ asụsụ Igbo nke ndị na-asụ ya bụ steeti ise ahụ bụ obi ndị Igbo. Ha bụ steeti Abịa, Imo, Anambara, Enugwu na Ebonyi tinyekwara ebe ndị ọzọ e nwekwara ndị na-asụ Igbo dị ka steeti Delta, Bayelsa, Rivas na Akwa Ibọm. Site n'ịgụ ọnụ e mere na Naịjirịa n'afọ 2006, o pekata mpe e nwere ọnụọgụ ndị mmadụ dị nde iri abụọ na otu n'ala Igbo. Asụsụ ha na-asụ sonyere na Benue-Kongo ọhụrụ nke Naịja-Kongo. Igbo na-ezipụta ụzọ ihe atọ. Nke mbụ bụ na ọ bụ ebo ma ọ bụ agbụrụ, ọzọ bụ na e nwere ebe bụ ala Igbo ebe nke ọzọ bụzị na ndị a nwere asụsụ ha nke bụ asụsụ Igbo. Ha so n'agbụrụ ndị isi ojii ka n'ọnụọgụ na mba Afrịka. Ndị Igbo na-agba mbọ nke ukwuu ma na-anabatakwa ọbịa nke ọma. Ịgba mbọ ha na-eduga ha n'okirikiri ụwa niile nke mere na o nweghị mpaghara ụwa ndị Igbo anọghị. Aka ọrụ ndị Igbo bụkarịrị ịzụ ahịa, ọrụ ugbo, ọrụ aka dị iche iche na ndị ọzọ. Ha nwere omenala nke bụ ụzọ ọdịnala ha si ezipụta nkwenye

na nsirihụ ndụ ha. Usoro ekpemekpe ọdịnala ha so n'ụzọ ndị Igbo si egosi ndị ha bụ. Mmekọrịta keọdịmara na-enyere ha aka izipụta nkwenye ha.

Usoro ekpemekpe ọ bụla n'ụwa nwere ụzọ ha si eme ka ndị otu ha ghọta ihe ha kwenyere na ya. Ha na-eme nke a n'ụzọ dị iche iche ọ kacha site n' iji ihe e nwere ike ịhụ anya ma ọ bụ ihe ndị enweghị ike ịhụ anya n'ụdị ọdịmara. Ọdịmara n'ụdị ọ bụla na-emejupụta nkwekọrịta, ndụ na emereme ekpemekpe ọ bụla. Ọ bụ ọdịmara na-ezipụta mpụtara na ọnọdụ ihe ọ bụla ma na-eme ka e were ihe dị etu ahụ kpọrọ ihe etu o kwesịrị. Nabofa (1994:3) nabatara na ọdịmara bara uru n'ihi na ọdịdị eziokwu ekpemekpe ọ bụla agaghị enwenwu ezi nnyocha, njidesi ike na nnabata ma ọ bụrụ na e nweghị ezi nghọta banyere ụdịdị keọdịmara na usoro ya nke na-apụta ihe site n'ihe onye kwenyere n'usoro ekpemekpe ahụ na-agabiga na ndụ maka ihe o kwere na ya.

Ọ bụ ihe mwute na ọtụtụ ndị Igbo amaghị maka ọdịmara dị iche iche ha nwere. Ụfọdụ na-ahụ ọtụtụ ọdịmara dị ka ihe nkịtị. Nke a na-ebute nleda anya nye ihe ha kwesịrị iji ọdịmara ndị a me. Ọ na-emekwa na uru a gaala irite n'ọdịmara ndị a anaghịzi adị n'ihi na ndị ga-eji ha rụọ ọrụ were mee ka uru ahụ pụta ihe amaghị ihe ha bụ. Nke a mere nchọcha a jiri dị nnukwu mkpa makana a tụrụ anya na ọ ga-eme ka ndị dị etu a mata na ihe ụfọdụ ha na-ahụ nwere nghọta eseghị elu ha nwere nke bụ ihe ọdịmara ahụ na-anọchi. Site n'ụzọ dị etu a kwanyere ha ugwu ma were ha rụọ ọrụ etu o kwesịrị. Ụfọdụ ndị odee merela nchọcha yitere isiokwu nchọcha a mechara ha n'asụsụ Bekee. Nke a kplitere mmụọ ome nchọcha iji asụsụ Igbo depụta nchọcha a ma kwado ihe odee ndị ọzọ dere. Site n'ụzọ dị etu a na-akwalite asụsụ na omenala Igbo ma mee ka nchọcha a kwụpụ iche.

Na nchọcha a, ome nchọcha bu n'uche igosipụta ihe nzu na-anọchi anya ya n'ekpemekpe ọdịnala Igbo. Ọ bụkwa ebumnche nchọcha a ịgba n'anwụ ihe bụụrụ ndị Igbo ọdịmara ọ kacha n'ekpemekpe ọdịnala. Ebumnuche ọzọ bụ izipụta uru nzu baara ndị Igbo niie. E jikwa atụtụ Ịntarakshọnism keọdịmara were kwado nchọcha a.

A kọwara n'ụzọ dị nke nke ndị bụ ndị Igbo na ihe e ji mara ha. Iji mee ka a ghọta ihe nchọcha a na-ezipụta nke ọma, a kọwakwara ihe bụ ọdịmara, ụdị ya, njirimara ya na uru ọ bara. E wepụtakwara uru ndị ọzọ nzu baara ndị Igbo. E ji atụtụ Ịntarakshọnism wee tụchaa ebumnuche nchọcha. A chịkọkara ihe ndị a chọpụtara na nchọcha ma tụọ alo, nke e ji weta nchọcha a na njedebe.

**Nnyocha agụmagụ**

A ga-amalite ebe a site n' ịkọwa ihe bụ ọdịmara. O doro anya na ihe ọ bụla a ga-akpọ ọdịmara ga-abụrịrị ihe nwere ihe ọzọ a na-elegara anya ọ na-anọchi.

**Ihe bụ ọdịmara:** Ọdịmara bụ ihe, onye ma ọ bụ mmemme e ji anọchi anya ihe ọzọ. Ọ bụ ihe ndị kwekọrịtara ga na-anọchite ihe ọzọ ha bu n'uche, ndị bụ na ọtụtụ oge ha abụọ anaghị enwe mmetụta n' ụdị ọ bụla. Giddens (1997:565) kọwara ọdịmara dị ka ihe na-akwụrụ maka, na-anọchi mmadụ,nghọta, mkpụrụ edemede, akara na-egosi ọnụọgụ,ma ọ bụ akara na-egosi ụda,nọmba ma ọ bụ mmiri mmụọ.Nnamani (nd) kọwara ọdịmara dị ka ihe na-anọchi ihe dị omimi karịa ihe a na-ahụ anya e ji atụnyere ya. Nke a pụtara na nzu n'onwe ya dị ka ihe nkịtị bara naanị obere uru n'ụdị ihe a ga-atụfu atụfu ma o nwere ike ịnọchi anya ụwa mmụọ na mmadụ. Ọ pụtara na ọdịdị keọdịmara nwere ike inwe karịa otu mpụtara ma ọ bụ nkọwa. Radcliffe-Brown na Madụkasi (2019:65) kwenyere na ihe ọ bụla nwere mpụtara bụ ọdịmara, ọzọ bụ na mpụtara na nkọwa bụ ihe ọdịmara na-ezipụta. N'ụdị ịsị na ntụgharị, nkọwa, mpụtara ma ọ bụ echiche ime mmụọ nke akara ọ bụla a na-ahụ anya ga-abụ n'ụdị mmetụta nke akara ọzọ ga-emechaa nọchie anya otu ihe ahụ Partmentier (1994:5).

Ọdịmara dị iche iche. Nke a pụtara na ihe otu nzukọ ma ọ bụ ọgbakọ, ekpemekpe, obodo na ndị ọzọ weere dị ka ọdịmara ha nwere ike o nweghị ihe ndị ọzọ ji ya kpọrọ.

Otuba (nd:169) kwenyere na ọdịmara n'otu ebe nwere ike o nweghị ihe ọ bụụrụ ndị ọzọ tinyere na ọdịmara bụ ihe ọ bụla ndị nwe ya kọwara na ọ bụ. Cohen (1974:9) kọwakwara ọdịmara dị ka ihe ndị e nwere ike ịhụ anya ma metụ aka mana ha adịghị ndụ, omume,mbunuche ma ọ bụ ndokọ ọdịdị asụsụ na-akpalite mmetụta obi na-amanye mmadụ n'ịkpa agwa. Nwokoye na Eze (2017:283) kọwara na ọdịmara na-akọwa ihe karịrị etu ha siri dị. Iji maa atụ, ọkọrọtọ, akara, njirimara, okpokoro isi, obe, ụcha, na ndị ọzọ nwere nghọta karịrị mpụtara Chi ha. Ọ bụ ụzọ ọzọ e si akparịta ma na-egosipụta mma ihe a na-ekwu maka ya. Ọ pụtara na ihe ọdịmara na-ezipụta abụghị naanị nkọwa ma ọ bụ mpụtara Chi ihe ahụ nwere kama o nwere nghọta ọzọ eseghị elu.

N'echiche nke ya, Ukpokolo (2015:36) dere na ihe ndị bụ ọdịmara bụ akara ngwa njirimara nke otu guzobere. N'omenala niile, ngwa keọdịmara ọ bụla nwere nghọta ọ na-enye nke ndị kepụtara ọdịmara ahụ nyere ya. Ntrọpọlọjisti Greetz n'Ukpokolo (2015:36) mere ka a mata na ọdịmara ọdịnala na-enye ndụ nghọta site n'iwepụta "ihe nlere anya nke" ụwa etu ọ dị na "ihe nlere anya maka" etu ụwa kwesịrị ịdị. N'otu aka ahụ, Leach (1976:331) rụrụ ụka na ọdịmara e ji ọnụ ekwupụta ma ọ bụ nke a naghị eji ọnụ ekwupụta na-ewepụta ndịiche dị n'otu ụdị ihe ma ọ bụ agwa na ibe ya, na-enyere anyị aka ikepụta akpamoke anaghị adịgide n'ụdị ihe na-adịgide ka Chi siri kee ya. Ukpokolo (2015:37) kọwakwara na ndị mmadụ dị iche iche na-emegharị ọdịmara nke obodo ha dị iche iche na omenala iji gosipụta ndị ha bụ, ihe ha na-eme na nghọta ha nwere gbasara ihe ndị ahụ ha kpọrọ ihe, site n'ụzọ dị etu a na-enyere ndị mmadụ aka izipụta ihe dị iche na "anyị" na "ha", ma na-egosikwa ndịiche dị n'ime otu otu. Greetz (1973:89) kwenyekwara na ọdịmara dị asọ na-arụ ọrụ ịgwakọrịta etu ndị si eme, ụdaolu, agwa na ụdị ndụ ha, ịdị asọ na ụdịdị ọnọdụ obi na nsirihụ ndụ, enyo etu ha si ahụta ihe n'ụdị ọ dị n'ezie, ka ha siri nwetakarịcha nghọta n'etu ihe si aga.

Firth n'Onuh (2016:5) tụnyekwara na inwe ọdịmara dabeere n'ịchọpụta na otu ihe na-anọchi anya ihe ọzọ, mmekọrịta ha bụrụ na ihe na-adị n'etiti ha na-abụ ihe a na-ahụ anya ganye n'ihe anaghị ahụ anya, otu ihe ganye n'ihe niile. Ifesieh (1989) n'Onuh (2016:5) kọwakwara na e nwere mkpa ụdịdị ọdịmara dị maka na mpụtara ya nwere ike ịgbanwe ihe n'ụzọ pụrụ iche na n'ụzọ e siri hụta ya. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ọdịmara na-enwe o pekata mpe njirimara abụọ, ndị bụ iwere ya dị ka ihe ghe anya oghe na ihe e zoro ezo. Longergan n'Onuh (2016:5) na ntụnye nke ya gosiri na e nwere ike iwere ọdịmara dị ka nhụnuuche na ihe e ji atụnyere ihe na-akpọlite mmetụta ma ọ bụ ihe mmetụta na-akpọlite. Ọ pụtara na ọdịmara anaghị edobe iwu nke uchenso kama iwu nke nhụnuuche na mmetụta.

**Ekpemekpe ọdịnala Igbo:** A ga-asị na ekpemekpe ọdịnala Igbo malitere oge ndị Igbo malitere. Ebe mgbakwasa ụkwụ nke ekpemekpe ọdịnala na-apụta ihe n'ezi nghọta nke ndụ Afịrịka n'ụdị ọ bụla dị ka obodo, akụ na ụba nakwa ọchịchị nke mere Mbiti (1970:1) jiri kọwa na ndị Afịrịka bụ ndị e ji ekpemekpe were mara n'ụdị na ọ gbanyere mgbọrọgwụ n'omenala ha. Ọ bụ nke ha na-eji ikikere ọnụ esite n'otu ọgbọ hafenye n'aka ọgbọ ọzọ. Okeke, Ibenwa na Okeke (2017:2) zipụtara na ekpemekpe n'ọdịnala Igbo na-esonyesi ike n'ihe niile gbasara ekpemekpe ọdịnala ụwa tinyere nkwenye ga, akụkọ okike, ntozu ọnụ, obi isi ike n'aka ndị otu ekpemekpe ahụ. Ndị Igbo kwenyere na Chukwu, Chukwu kachasị elu, ma bụrụ ya kere ụwa (Okeke, Ibenwa na Okeke, 2017:4). Ndị Igbo kwenyere na Chukwu dị elu n'ụdị ya na mmadụ agaghị enwe mmekọrịta ihu na ihu. Ya mere na o nwere ụmụ mmụọ ndị o kere dị ka ndị ozi ya bụ ndị ndị mmadụ na-esite na ha agakwu Chukwu. Ha bụ ala, anyanwụ, amadiọha, ndị ichie na ndị ọzọ.

**Ụdị ọdịmara dịiche iche:** E nwere ụdị ọdịmara dị iche iche n’ekpemekpe ọdịnala Igbo ma a ga-eleba anya n’atọ n’ime ha. Ekeke (2012:8) na Ofuafo (2013:395) kwenyere na ụzọ atọ ndị a chịkọtara ụdị ọdịmara e nwere. Ha bụ: Ọdịmara ke Eke, Ọdịmara ke Mkparịtaụka,ke Nka ma ọ bụ ke Aja na Ọdịmara ke Akamere. Mana ebe Ekeke (2012:8) kpokọtara ọdịmara ke Mkparịtaụka, ke Nka na ke Aja ọnụ na nkọwa ya, Ofuafo (2013:395) kọwara ha iche iche.

Ọdịmara ke Eke n’ekpemekpe ọdịnala bụ ọdịmara ndị ahụ dị ka Chi siri kee ha dị ka: ukwu osisi, anụmanụ, nzu, okwute, ugwu, ala, kpakpando, ọnwa, oshimiri, amụma na egbe igwe. Ekeke (2012:8) kọwara na ihe ndị a na-anọchi anya mmụọ. O jiri egbe igwe na amụma maa atụ ma sị na ha na-egosi iwe Chukwu, site na mmụọ dị ukwu dị ka Amadiọha na Shango nke Igbo na Yoruba n’otu n’otu. Oge e merụrụ ihe eke ndị a, ha ejirizie nwayọọ bụrụ ihe nzuzo nke ọdịmara dị asọ.

Ọdịmara ke Mkparịtaụka, ke Nka ma ọ bụ ke Aja dị ka Iheanacho n’Ekeke (2012:8) siri kọwa bụ ọdịmara ndị ahụ a na-egosipụta site n’asụsụ, akpụrụakpụ na ihe nka nke okpukperechi. Ọdịmara ndị a na-ezipụta ụzọ ndụ niile nke onye Afrịka ọ bụla. Ha bụ ọdịmara ọdịnala nke e ji egosi eziokwu pụtara ihe dị ka o si metụ ọchịchịọ, nghọta na mmekọrịta nke ekpemekpe ha. Ofuafo (2013:395) kọwara na ọdịmara ke Nka bụ ndị e ji achọ okwu arụsị mma.

Ọdịmara ke Akamere: Ụdị ọdịmara ndị a bụ nke otu ekpemekpe ma ọ bụ otu ọgbakọ kepụtaara onwe ha iji na-ezipụta nhụrụ na ndụ na nkwenye nke ha. Ofuafo (2013:395) kọwara na ube dị asọ nke ndị Zulu na oche ọla ọcha nke ndị Ashanti bụ ọmụma atụ ọdịmara ke Akamere. Ekeke (2012:8) kọwakwara na n’otu ekpemekpe ọdịnala mejupụtara ọwụwa anyanwụ Naịjirịa, ọfọ ma ọ bụ ‘owhor’ dị ka ndị Ikwere si akpọ ya na-egosi ịbụ isi nke otu ụmụnna na ikike dị asọ. Ọ dị mkpa izipụta dị ka Iheanacho n’Ekeke (2012:8) siri kọwa na ọdịmara ke Akamere na-abụ nke dịwagara iche nye otu ekpemekpe na otu ọdịnala nwe ya ma e wezụga ebe e nwere ọdakọ ma ọ bụ nnabata omenala.

**Ọrụ ọdịmara na-arụ:** Ọdịmara na-arụ ọtụtụ ọrụ dị mkpa n’ekpemekpe ọdịnala. Na nkeji a, a ga-achịkọta ụfọdụ ọrụ ndị ahụ.

- Ọdịmara na-eme ka a mata maka ekpemekpe ndị nwe ya.
- Ọdịmara na-arụ ọrụ ichekwa akụkọ ala, imeghari na ịwụgharị mmemme ndị merela n’ekpemekpe ọdịnala ahụ.
- Ọ na-arụrụ ndị otu ekpemekpe ahụ ọrụ igosipụta nhụrụ na ndụ nke onyinyo uche gaarala isi ike ma ọ bụ agaghị enwe ike igosipụta ma e wepụ ọdịmara.
- Randall n’Ekeke (2012:8) kọwara na ọdịmara ekpemekpe bụ ụzọ pụrụ iche e si agbanwekọrịta echichi na mmere na ndụ mmadụ.
- N’ekpemekpe, ọdịmara na-enye aka icheba udo na ịdịkọnotu nke ndị otu ekpemekpe ahụ Ekeke (2012:8) na Ofuafo (2013:395).
- Ọdịmara nke ekpemekpe ọ bụla na-abụrụ ndị ahụ ihe nrụtụ aka na ihe nlegara anya. Nke a pụtara na ọ na-akpalite ụsa nke mmetụta obi na ihe omume kwesịrị ekwesị n’ekpemekpe ahụ.
- Ọdịmara ekpemekpe na-ekpughe ike na ume ime mmụọ a na-enweta n’eke dị ka etu e si ahụta ụzọ nakwa ịhụ ọhụ.

## Njirimara ọdịmara

E nwere ọtụtụ ihe e ji mara ọdịmara. Ụfọdụ n’ime ha bụ:

Ọdịmara na-enwe nghọta site na ntọala ndụ: Iji ghọta ihe ọdịmara na-ezipụta, ọ dị mkpa ịnabata ọnọdụ ndị nwe ya bụ ọdịmara bụ ndị ọ bakwaara uru, Onuh (2016:6). Ịma atụ, e

wepụ akụkọ ala na ezi nghọta banyere ụka Kraịst, obe agaghị enwe mpụtara. Onuh (2016:7) kọwakwara na e wezụga akụkọ ala na ịmata nke ọma banyere ekpemekpe ọdịnala, ngwa ofufe dị ka ọfọ, Amadiọha na ndị ọzọ agaghị enwe nghọta.

Ọdịmara na-enwe nghọta naanị mgbe e nwere nkwekọrịta banyere nghọta ahụ. Onuh (2016:7) zipụtara na ọdịmara anaghị enwe nghọta n'onwe ha kama ọ bụ nghọta obodo nyere ha ka ha na-ebu. Otuba (nd:169) kwenyere nke a ebe ọ sịrị na ọ bụ nghọta ọha na eze nyere ọdịmara ka ọ na-enwe. Nke a pụtara na ọdịmara n'otu mba nwere ike ọ dịghị nghọta o nwere na mba ọzọ. O nweghị ụzọ ọ bụla ọdịmara ga-esi enwe nghọta nye onye amaghị ihe ọ bụla banyere ya na mbụ. Ịma atụ, na Naịjirịa, ụbọchị mbụ n'ọnwa nke iri n'afọ ọ bụla na-ezipụta ụbọchị nnwere onwe nke Naịjirịa mana ndị mba ụwa ndị ọzọ enweghị ihe ha ji ụbọchị ahụ kpọrọ. Ịma atụ ọzọ, n'ala Igbo, oge a na-edu nwata nwaanyị ụlọ ịga bido ezi na ụlọ nke ya, a na-enye ya ihe ndị dị ka agbọghọ ewu nke na-egosi ọmụmụ. A na-enyekwa ya azịza nke na-ezipụta idowe ụlọ ọcha nakwa ọkwa na aka odo iji gosi na ọ ga na-esiri di ya nri. Onuh (2016:7) kọwakwara na ọdịmara na-adịgide n'omenala site na nhafenye site n'otu ọgbọ ganye n'ọgbọ ọzọ.

Ọdịmara na-arụ ọrụ ịnọchite anya ihe na ichete ihe na mmemme. Ọ bụ ọdịmara na-enye ezi nghọta na ọdịdị nke ihe na-eme ka anyị kpachapụrụ ihe ahụ anya n'iji ya me ihe. Iji ọdịmara rụọ ọrụ na-agbadokarị ụkwụ mmejupụta. Ọ na-achọkarị mmekọ nke ụfọdụ nkwekọrịta n'echiche iji nye aka zipụta mpụtara ha.

Ọdịmara na-ewepụta usoro ịkpa agwa n'etiti anyị na ihe ndị ọzọ nọ n'otu ogo ahụ. Ọdịmara na-eme ka anyị mara etu anyị na ngwa ọdịmara ga-esi na-emekọrịta (Onuh, 2016:7, Otuba, nd:170). N'otu aka ahụ mgbe a sịrị na mmadụ bụ onye ohi, ọ bụghị naanị ịkpọ onye ahụ onye ohi kama a na-akpachapụ anya n'inwe ntụzi aka n'ụdị omume a ga na-emeso onye ahụ. Ọ bụ nkọwa a na-enye ọdịmara ndị a na-ekpebi akparamagwa mmadụ. Onuh (2016:7) kọwara na mmadụ na-akpa agwa site n'etu o si akọwa ihe na-eme n'okirikiri ya. Ọ bụ nkọwa mmadụ na-enye ụwa ya na-adịrị ya ire tinyere na nkọwa ndị a ka ọ na-ebu.

**Nzu na ọdịmara ya n'ekpemekpe ọdịnala Igbo:** Nzu bụ ihe na-adị n'ụdị okwute ọcha a na-egwupụta n'ala ụrọ. Nzu nwere aha mba dị iche iche na-akpọ ya. Igbo na-akpọ ya nzu, ndị Edo na Naịjirịa na-akpọ ya orhue ebe Otuo bụ otu Olundị n'Edo ahụ na-akpọ ya aure.Bekee bụ 'white chalk', 'China clay' ma ọ bụ 'Kaolin', Furenchi na-akpọ ya 'la craie' ma ọ bụ 'argile', ebe ndị Lingala na Kongo na-akpọ ya 'mabele'**.** Nzu dị ka ọdịmara nwere ọtụtụ ihe ọ na-egosi ma ọ bụ ọ na-anọchi.

**Mpụtara nzu**

N'eziokwu o nweghị onye ga-akọwanwu kpọm kwem etu nzu si malite dị ka ọdịmara ma o doro anya na ọ bụ ihe a na-egwupụta n'ala. Madukasi (2019:68) kọwara na ọ bụ Eri bụ nna ndị Igbo malitere iji nzu gọ ọfọ. Eri bụ onye sitere n'agbụrụ Gadị nke bụ otu n'ime ụmụ iri na abụọ Jekọp n'ala Izrel (Genesis 46:17). Dị ka Idigo (2001) na Eyisi (2011) na Madukasi (2019:68) siri kọwaa na Eri malitere iji nzu kpọku ndị ichie n'okwu mmụọ ya bụ "Obu-Gad" n'Aguleri nke bụ obi ndị Igbo. Site n'oge ahụ, ndị Igbo malitere iji nzu agọ ọfọ etu hasi eji ọjị agọ ọfọ. Ha na-ejikwa ya ekpe ekpere ụtụtụ nke ụfọdụ na-akpọ ịkwọ aka ụtụtụ.

Nzu bụ ihe dị nsọ e ji achụ aja nke na-ekpocha anya iji bagide njem nsọ dị ka ịgọ ọfọ ụtụtụ, ịgwa arụsị okwu na ndị ọzọ. Ndị Igbo kwenyere na etu ọ bụ na nzu dị ọcha, na o nwere ihe banyere mmụọ. Ọ na-egosi ịdị ọcha na ebumnobi e nweghị ntụpọ ma na-

akwalite ezi mmekọrita nke ụwa mmụọ. Nabofa (1994:60) na Nnamani (nd) kwenyekwara na nzu dị asọ. A na-efesa ya n'ụzọ iji dọọ ndị ajọ mmụọ na ndị obi ọjọọ aka na ntị. Basu na Kanu (2020) kọwara na n'ichi echichi na n'ichi Obi, nzu bụkwa ihe dị nnukwu mkpa so egosi nsọpụrụ, na-ezipụta ngọzi na ịdị ọcha. A na-eji ya echi Obi ọhụrụ ma bụrụ ihe o ji akpọku ngọzi ndị ichie n'isi ndị ọbịa n'obi ya. Basu na Kanu (2020) kọwakwara na ụmụ nwaanyị chiri echichi n' obodo Ọkpanam nke steeti Delta na-ete nzu n'anya. Ha kwenyekwara na ndị dibịa na-ete nzu n'anya nke na-eme ka ha na-ahụ ụzọ n'ụwa mmụọ. Ọ bụ ya mere e ji akpọ ha ndị "dibịa anya nzu".

Nzu na-ezipụta ihu ọma na nnabata. Ndị Igbo na-eji mkpụrụ ọjị anabata ọbịa. Mana ọtụtụ oge ebe ọjị adịghị, a na-eji nzu edochi ya, Nnamani (nd). Basu na Kanu (2020) kwenyere na nzu bụ ọdịmara na-egosipụta ịdị ọcha na ihu ọma tinyere ezi nnabata. N'ịnabata ma ọ bụ igosi nnabata, Basu na Kanu (2020) kọwara na n'omenala ndị Omolotuo, ndị obodo ha na nwa a mụrụ ọhụrụ na-ete nzu n'ihu ụbọchị a na-eme mmemme ikupụta nwa iji gosi ihu ọma ọbịbịa nwa ahụ weteere ha na obi ọcha ha ji nabata nwa ahụ. Madukasi (2019:69) kwukwara na ndị Igbo kwenyere na ebe mkpụrụ ọjị adịghị iji nabata ọbịa, nzu na-ewere ọnọdụ ma rụọ otu ụdị ọrụ ahụ. E nwere nkwenye na mmadụ ịgakwu Chukwu na-adịkarị mma mgbe o ji ihe n'aka were ekpe ekpere. Ya mere ndị Igbo ji asị na "onye jide ọjị n'aka kwacha akpịrị, ndị mmụọ egee ya ntị n'olu". Ya bụ na ndị Igbo kwenyere na o nwere ihe dị omimi n'ihe ndị ahụ ha na-eji ekpe ekpere nke nzu bụ otu n'ime ha. Ichere onye ọbịa ọjị ma ọ bụ nzu ebe ọjị adịghị oge a nabatachara ya n'ụlọ onye ọ bịara na-egosi echiche udo onye na-ele ọbịa nwere n'ebe onye ọbịa ya nọ. Ọ pụtara na nzu na-egosi udo.

Nzu na-egosipụta ihe dị ọcha. Nzu dị ka ihe dị ọcha mere ka ọ bụrụ ngwa e ji achụnyere ụmụ mmụọ na ndị ichie aja n'ekpemekpe ọdịnala. Ofuafo (2013:395-396) kwenyere na nzu na-egosi adịmọcha, nakwa na ngwa ofufe dị asọ. Basu na Kanu (2020) nabatara na nzu dị asọ na-egosikwa na okwu arụsị dị asọ. Ọ na-ezipụtakwa ịdịọcha na ntụkwasị obi a chọrọ n'aka ndị otu ekpemekpe ahụ. N'ihi ịdị ọcha na ugwu ya, a na-edowe ogbe nzu n'okwu arụsị n'ihi nkwenye na ọ na-adọta ike dị asọ nke Chukwu n'okwu arụsị ahụ. Onuh (2016:20) kọwara na a na-ahụkarị nzu n'okwu arụsị ọ bụla ebe ọ na-egosi na okwu arụsị ahụ dị nsọ.

**Ịtụ nzu**

Tupu e were nzu, onye ji nzu n'aka na-eji ya kaa akara anọ n'ala ma were otu akara ma ọ bụ abụọ kabichie ya nke na-egosi ahịa anọ e nwere n'Igbo. Ọ pụtara echiche udo nye onye ma ọ bụ ndị ọbịa ahụ na njem ha. Nnamani (nd) kwenyere nke a ebe ọ sịrị na nke a na-egosi na onye na-ele ọbịa na onye ọbịa enweghị echiche ọjọọ ọ bụla ebe ibe ya nọ. O mechaa nke a, ọ na-atụgara onye ọzọ nọ ya nso ka o mee otu ihe ahụ ganye na ụmụ nwoke niile nọ ebe ahụ emechaa otu ihe ahụ ma tụghachiri onye nwe ụlọ ma ọ bụ onye na-ele ọbịa bụzi onye ga-eji ya kpee ekpere. Ịtụ nzu bụ iji ya na-aka akara n'ala. E nwekwara nke ụfọdụ na-akpọ "oguama" bụkwa akara a na-aka n'ala iji gosi adịmọcha na ịdị asọ. Ọ na-abụ akara asatọ nke na-egosi obi ịdị ọcha. Mgbe ọ bụla ndị okenye zukọrọ, onye ọ bụla n'ime ha na-aka akara asatọ a iji gosi ebughị njọ ọ bụla.

**Uru ndị ọzọnzu bara**

Ka oge na-aga, ndị mmadụ chọpụtara uru ndị ọzọ nzu bara ma e wezụga iji ya me ngwa ofufe. Uru ndị ahụ gụnyere:

- Ịta nzu nke ọtụtụ ndị na-emekarị, dị ka ụmụ nwaanyị dị ime. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị dị ime na-ata nzu iji gbochie ha ịgbọ agbọọ na oke ịbụ asọ. Nnamani (nd) kwenyere na nke a mgbe ọ sịrị na ọ na-enyere ụfọdụ ụmụ nwaanyị dị ime aka

ibelata agbọọ. O nwekwara ndị kwenyere na ọ na-eme ka ọkpụkpụ nwaanyị dị ime na nke nwa o bu n'afọ gbasie ike. Ụfọdụ na-ata nzu bụkwa naanị n'ihi mmasị ha nwere na ya tinyere na ha amaghịkwa etu ha ga-esi kwụsị ịta ya.

- A na-ejikwa nzu emepụta pawụda a na-ete n'ahụ.
- E nwekwara ndị na-egwe nzu egwe ma na-ete ya dị ka pawụda nke na-eme ka ahụ jụọ oyi, ma na-egbochi ma ọ bụ agbapịasị etito nke ekpomọkụ na-akpata. Ọ na-arụ ọrụ n'ahụ ụmụaka na nke ndị okenye. Nnamani (nd) kọwara na a na-ete nzu n'ahụ ọ kachasị onye nwere ọrịa arụbara ma ọ bụ ọrịa akpụkpa ahụ ndị ọzọ. Nnamani (nd) tinyekwara na a na-eji nzu ede ihe n'ahụ aja nke na-enye aka n'icheta ihe.
- Ndị na-egwupụta nzu n'ala na ndị na-ere ya jikwa ya mere akaọrụ. N'ụzọ dị etu a, ọ bụụrụ ha ụzọ ha si enweta ego nke ha ji abara onwe ha, ezinaụlọ ha nakwa obodo uru.

## Atụtụnchọcha

Onye fịlọsọfa bụ George Herbert Mead bụ ya kacha pụta ihe n'atụtụ Ịntarakshọnisim. Haralambos na Heald (1980:544) kọwara na dị ka Mead siri chee, echiche mmadụ, ihe ngabiga na omume mmadụ n'ezie na-emetụkarị ọha. Ha na-adị ire n'ihi na ndị mmadụ na-eji ọdịmara emekọrita, ihe kacha mkpa bụrụ na ọ na-adị n'ime asụsụ. Ọdịmara abụghị naanị na ọ na-anọchi ihe ma ọ bụ emume kama ọ na-akọwa ha n'ụzọ pụrụ iche ma na-ezipụtakwa ụsa nye ha. Ọ kọwara na 'oche' dị ka ọdịmara abụghị naanị na o nwere ụdị ihe ndị ọ na-anọchi anya ha ma na-akọwa ha dị ka ihe ndị yiri onwe ha, kama ọ na-ezipụtakwa ịkpa agwa, ya bụ agwa ịnọrọ ala. Ọdịmara na-amakwasa nghọta pụrụ iche n'ihe na n'emume ma site n'ụzọ dị etu a kpachapụ nghọta ndị ọzọ ihe ahụ nwere ike inwe. Iji maa atụ, e nwere ike iji igwe, akpara ma ọ bụ osisi rụọ oche ma kọwaa ya n'ọnọdụ a dị ka ihe dịgasị iche iche. Etu ọ dịla, a na-ewere ndịiche a niile na o nweghị ihe ha bụ ebe ha niile dị n'otu ụdịdị ọdịmara 'oche'.N'otu aka ahụ, e nwere ike ịkwụ ọtọ n'elu oche, jiri ya mee nkụ ma ọ bụ were ya lụso mmadụ ọgụ mana ihe niile a e ji atụnyere oche adịghị n'agwa nke ọdịmara oche na-ezipụta. Haralambos na Heald (1980:544) kọwakwara na Mead na-ezipụta na ọdịmara na-eme ka e nwee ụzọ mmadụ, eke na gburugburu ya ga-esi enwe ezi mmekọrịta. Ọdịmara bụ ihe mmadụ mebere mana ha anaghị arụga aka n'ụdịdị ekere Chi ihe na emume kama n'ụzọ mmadụ si ahụta ha. Haralambos na Heald (1980:544) chọpụtara na n'echiche Mead, e wepụ ọdịmara a gaghị enwe mmekọrịta mmadụ, eke na ọha obodo. Mmekọrịta keọdịmara dị mkpa ebe mmadụ enweghị agwa nsinachi na-agbazi akparamagwa ya. Iji bie ndụ, mmadụ ga-ekepụtarịrị ma biri n'ụwa nwere nghọta. Mead kwenyere na ọ bụ site n'ọdịmara ka ekere Chi ụwa si enwe nghọta ma mezie ka mmekọrịta mmadụ na ụwa ahụ nwee ike dị ire. Echiche Mead maka mmekọrịta mmadụ na-ahụta mmadụ dị ka onye ji aka ya ekewapụta ezi ọnọdụ mmekọrịta ma bụrụkwa onye ọnọdụ ahụ na-achịkwa. Mmadụ ahụ na-eji aka ya atụpụta ma na-agbazi akparamagwa ya, n'otu aka ahụ bụrụkwa onye agwa ndị ọzọ na-emetụta n'izugbe. A na-ewere na mmadụ na obodo adịghị nkewa n'ihi na ọ bụ na mmekọrịta ndị ọzọ ka mmadụ ji abụ mmadụ. Haralambos na Heald (1980:546) gosiri na n'ọnọdụ a, mmadụ na-ewepụta mmụọ nke onwe ya nke dị ezigbo mkpa maka echiche. Ọ na-amụta iwere ọrụ ndị ọzọ nke dị mkpa maka ọganihu nke onwe na nkwekọrịta nke ndị ọzọ. E wepụ iji ọdịmara nke onye ọ bụla na-aghọta mpụtara ya nwe mmekọrịta, usoro a niile agaghị adị ire. N'ihi ya mmadụ na-ebi n'ụwa ọdịmara nke na-enye ndụ nghọta na uru ma na-ewepụtakwa usoro mmekọrịta ndị mmadụ.

## Ntụcha nchọcha

Ebe a, a ga- ewepụta ebumnuche nchọcha a ma gosipụta ihe nchọcha chọpụtara. Ebumnuche nchọcha a bụ ịkọwara ndị mmadụ ọ kachasị ọtụtụ ndị Igbo amaghị na o nwere ihe nzu na-anọchi. Dị ka nchọcha a chọpụtara, e nwere ọtụtụ ihe nzu na-ezipụta karịa etu ụfọdụ si ewere ya dị ka ihe nkịtị. Nzu dị asọ ma na-egosikwa na ihe dị ka okwu arụsị dị asọ. Ndị Igbo ji ya anabata ọbịa nke na-egosi nnabata na obi ọcha nye onye ọbịa ahụ. Ịtụ nzu oge e ji ya ekpe ekpere n'ịnabata ọbịa na-egosi na ndị niile ahụ tụrụ nzu adịghị onye nwere ajọ echiche n'ebe ibe ya nọ. Nke a dabakwara n'atụtụ ịntarakshọn keọdịmara nke Mead jiri kọwaa na mmadụ na-eji aka ya ekepụta ezi ọnọdụ mmekọrịta ma bụrụkwa onye ọnọdụ ahụ na-achịkwa n'ihi na onye maara na ọ ga-esonye n'ịtụ nzu ga-agbarịrị mbọ hụ na o bughịrị onye ma ọ bụ ndị ọzọ ihe ọjọọ n'obi. Nke a kwadokwara na ọdịmara nzu na-akwalite ezi mmekọrịta.

A chọpụtakwara na ndị dibịa na-ete nzu n'anya nke na-eme ka ha na-ahụ ụzọ n'ụwa mmụọ tinyere ime ka ha na ndị ichie na-emekọrịta. Nchọpụta gosikwara na n'ịtụ nzu, akara a na-aka mgbe a na-atụ nzu nwere ihe ọ na-egosi. Akara anọ iji maa atụ na-egosi ahịa anọ e nwere n'Igbo. Nke a na-egosikwa na ebe ọ bụla e jiri nzu kpee ekpere ma werekwa ya kaa akara anọ n'ala, ndị ahụ na-arịọ Chukwu ka ọ gọzie ha n'ụbọchị niile ndị Igbo.

Ọdịmara bụ ihe na-anọchi anya ihe ọzọ nke nwere ike ịbụ ihe a na-ahụ anya ma ọ bụ ihe e nweghị ike ịhụ anya. Nchọcha a chọpụtara na ọ bụ ihe ndị nwe ọdịmara chọrọ ka ọ na-anọchiri ha ka ọ ga na-anọchi kpatara ndị Igbo ji asị na "ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ ga-aza". Ihe nke a na-egosi bụ na ihe otu ndị were dị ka ọdịmara nwere ike o nweghị ihe ndị ọzọ ji ya kpọrọ.

E zipụtakwara na nzu nwere uru ọzọ ọ na-abara ndị Igbo. A chọpụtara na ụfọdụ ụmụ nwaanyị dị ime na-ata nzu nke ha na-eme n'abụghị n'ihi nkwenye ọdịnala ọ bụla kama naanị n'ihi na ịta nzu na-enyere ha aka igbochi ịbụ asọ mmiri. Ụfọdụ bụkwa n'ihi nkwenye na nzu na-eme ka ọkpụkpụ nwaanyị dị ime na nke nwa ya gbasie ike. E nwekwara ndị ji igwupụta nzu n'ala na ire ya mere akaọrụ nke bụ ụzọ ha si enweta ego maka igbo mkpa ha na nke ezinaụlọ ha. Nke a mere o jiri bụrụ na e wepụ uru nzu bara n'ekpemekpe ọdịnala, e nwekwara ndị ọzọ na-erite ya uru.

**Nchịkọta**

Ọ bụ ihe dị mkpa na ndị mmadụ ghọtara uru dị n'ọdịmara nzu. Ndị Igbo bụ ndị e ji ekpemekpe ọdịnala mara nwere ọtụtụ uru nzu na-abara ha dị ka ọdịmara.Ọdịmara na-arụ nnukwu ọrụ n'ekpemekpe ọ bụla. Nchọpụta gosiri na ọ na-enyere ndị otu ekpemekpe niile aka ịghọta ihe omimi banyere nkwenye ha ma na-akwalitekwa ezi mmekọrịta nke ndị otu ahụ na ngwa keọdịmara. Ihe ọ bụla bụ ọdịmara nwere nghọta eseghị elu o nwere. Ihe ọzọ pụtara ihe na nchọcha a bụ na ọ bụ nghọta ndị nwe ọdịmara nyere ya ka ọ na-enwe tinyere na ọdịmara otu ndị, agbụrụ ma ọ bụ obodo ọtụtụ oge o nweghị ihe ndị ọzọ ji ya kpọrọ dị ka e zipụtara n'elu. Nchọpụta gosiri na ọdịmara nzu pụtara ihe dị iche iche. A chọpụtara na nzu bụ ọdịmara ke eke nke ọdịdị ya n'okwu arụsị abụghị mma ka e jiri ya chọọ ebe ofufe ahụ kama ọ na-egosi na okwu arụsị ahụ dị asọ. Iji nzu nabata ọbịa na-egosi na onye na-ele ọbịa ji obi ọcha anabata ọbịa ya. Ụdị ọdịmara dị iche iche a chọpụtara na-arụ ọrụ ha iji na-emeju ebumnuche ndị nwe ha. Dị ka Mead siri kọwaa na ọdịmara dị nnukwu mkpa iji mee ka e nwee ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ụwa ya. Ọ bụ ezi mmekọrịta a na-enye ụwa mmadụ na ekereke ndị ọzọ nghọta.

E zipụtakwara na e nwere uru ndị ọzọ nzu bara ma e wepụ etu ndị ekpemekpe ọdịmara siri were ya. Ndị ọkachamara n'ahụike mere nchọpụta na-egosi na nzu nwere ihe

ndị Bekee na-akpọ kalujum (*calcium*). Nke a na-eme ka ọkpụkpụ mmadụ gbasie ezigbo ike. Nzu na-enyekwa aka ịgbapịasị etito ọ kacha nke ekpomọkụ na-ebute. Ndị mmadụ na-ete nzu n'ahụ iji mee ka ahụ jụọ ha oyi.

E jikwa nzu achụta akụ na ụba. Nke a bụ n'ihi na ndị ji igwupụta na ire nzu mere akaọrụ na-esite n'ụzọ dị etu a enweta ma na-akwalite ọnọdụ akụ na ụba ha na nke obodo.

**Mmechi**

Ndị Igbo nwere omenala na nkwenye dị ọkpụ ndị sitere n'aka ndị nna ochie ha. Mana ọgbọ nọ ugbua na-eleghara omenala ndị a anya, mezie ka ha na-ala azụ ma na-anwụ. Ọ bụ ihe doro anya na ihe ọ bụla mmadụ ga-etinye n'ọrụ bụ ihe ọ maara maka ya na ihe o jikwa kpọrọ ihe. N'ihi ya, ọ dị mkpa na ndị Igbo tinyekwara uchu na ngwa keọdịmara ha niile ọ kacha nzu ma were ya na-arụ ọrụ etu o kwesịrị. Nke a ga-eme na ụfọdụ iji maa atụ, ndị amaghị na e ji nzu ele ọbịa ga-amata maka ya ma were ya na-ele ọbịa etu o siri kwesị oge ha enweghị mkpụrụ ọjị. Nchọcha a dịkwa mkpa n'ihi o mere ka a mata na e nwekwara uru ndị ọzọ a na-erite na nzu n'abụghị n'ụdị ọdịmara. Ome nchọcha jikwa nchọcha a akwado ihe ndị odee ndị ọzọ dere banyere nzu ma o jiri asụsụ Igbo dee ya nke mere ka ọ pụọ iche.

**Edensibịa**


Basu, P.,& Kanu, G. C. (2020). Nzu, Orhue, Sacred Chalk. Re: Entanglements Nigeria (Sierra Leone) Re:Engaging with Colonia Archieves in Postcolonia Times. https://re-antanglements.net E wetere na 22/11/2020

Cohen, A. (1974). *A Two Dimensional Man.* London: University Press.

Ekeke, E. (2012). The Symbolism of Offor in Igbo Traditional Religion. N'*An American Journal of Social Issues and Humanities*, 2, (1)

Greetz, C. (1973). *The Interpretation of Cultures: Selected Essays.* New York: Basic Book Inc.

Haralambos, M. & Heald, R. (1980). *Sociology (Themes and Perspectives).* Slough: University Tutorial Press.

Leach, E. (1976). *Culture and Communication: The Logic by which Symbols are Connected.* London: Cambridge University Press.

Madukasi, F. C. (2019). "Symbolism and Significance of White Chalk 'Nzu' As a Mechanism of Improving Human Conditions and Dignity in Igbo Traditional Religion". Na *Research andAnalysis Journal*, 2 ihu 63-74.

Mbiti, J. (1970).*African Concept of God*. London : SMC Press.

Nnamani, T. (nd). The Significance of 'Nzu' in Igbo Culture. www.ndiigbogermany.com E wetere na 14/10/2020

Nwokoye, A. N.& Eze, P. C. (2017). "Igbo Symbols: Developing Aesthetics Values on the Igbo Child". N' *Unizik Journal of Arts and Humanities*

Ofuafo, P. U. (2013). "Arts Symbols as a Means of Communicating Religious Concepts in Urhobo Traditional Religion". Na *The Journal of International Social Research*. 6 (27) ihu 392-397.

Okeke, C. O., Ibenwa, C. N. & Okeke, J. T. (2017). Conflict Between African Traditional Religion and Christianity in Eastern Nigeria: The Igbo Example. Journals.sagepub.com E wetere na 11/11/2020

Onuh, J. I. (2016). Sacred Symbols in Igbo Traditional Religion: Shrine as a Case Study. www.academia.eduE wetere na 28/10/2020

Otubah, G. I. (nd). Different Symbols in Igbo Traditional Religion and Their Functions. https://www.ajol.infoE wetere na 28/10/2020

Partmentier, R. (1994). *Signs in Society: Studies in Semotic Anthropology.* Bloomington: Indian University Press

Ukpokolo, C. (2015). Self-Representation and the Constitution of the Igbo World Among Igbo Students in a Public University in Nigeria. www.ocf.berkeley.eduE wetere na 2/12/20